# BRICK NÁEJIGHỊ OKPOROỌKÀ
## Ọpupu 5:1-23

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 50 - Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Anya abua nke JEHOVA di n'aru ndi ezi omume, Nti-Ya abua ghe-kwa-ra oghe ná nkpu ha nētiku Ya" (Abù Ọma 34:15).**

**I Ọbịbịa nke Moses na Eron N'iru Fero**

1. Ụmụ Israel rịọrọ maka ohere ịga feè Chineke náewere Okwu Chineke dịka ike ha, Ọpupu 5:1; 3:12, 13
2. Fero naagọnarị ịma Onye Chineke bù wee jụ irubere Ya isi, Ọpupu 5:2; 3:19
3. Moses na Eron rịọghachịrị arịrịọ ahụ, Ọpupu 5:3; 2 Pita 3:9
4. Fero naabara Moses na Eron mbá n'ihi ha naegbochi ọlụ nke Ụmụ Israel, Ọpupu 5:4, 5; 1:7-9; Abù Ọma 105:24

**II Ibuarọ̀ Ahụ Nke Atụkwasịịrị Ụmụ Israel**

5. Fero naenupụrụ Chineke isi, náenye iwu mmegide, Ọpupu 5: 6-9; Ilu 14:31; Eklisiastis 3:16, 17; Abù Ọma 37:12-17, 35, 36
6. Ndị Ijipt ahụ náachị Ndị Israel n'ihe ike naeme ka iwu ahụ guzosieike, Ọpupu 5:10-13

**III Mkpesa Nke Ndị Ahụ Anaemegbu Emegbu**

7. Ọlụike ahụ anaapụghị ịlụ wetaara ndịndú Ụmụ Israel ahụhụ, Ọpupu 5:14; Eklistiastis 5:8
8. Ndịndú ahụ naeme ka Fero mara mkpesa ha, Ọpupu 5:15, 16
9. Fero jidere omume ọjọọ ya, Ọpupu 5:17-19
10. Nwa mgbe ntà ndịndú ahụ nọ ná mkpagbu jụrụ ajụjụ banyere eziuche dị n'omume nke Moses na Eron, Ọpupu 5:20, 21
11. "Moses we laghachikuru JEHOVA," Ọnu-ọgugu 11:11-15

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

Anyị apụghị ịghọtazu maọbụ nwee ezi mmasi banyere nwoke ukwu ahụ bụ́ Moses rue mgbe anyị hụrụ omume ya n'akụkụ dị icheiche, dịka nwoke nwere mmụta na onye ọ̀zụ̀zụ̀atụrụ, onyendú na onye ọkàiwu, onye agha na onye ọchịchị, onye náadịghị atụ́ egwù ma bụrụ kwa onye kachasị obiumeala n'etiti mmadụ. Ihe ọ bụla nke mere n'akụkọ banyere ndụ ya naakụziri anyị ihemmụta ọhụụ na nke bara urù.

Anyị hụrụ otú o si mee ọsọsọ ichigharị pụọ n'ụzọ nke aka ya ịnụ olu nke Chineke site n'osisi ntà ahụ náeréọkụ, ma lee otú o sighị mee ngwangwa ịnara ijéozi niile ahụ enyere ya n'ebe ahụ. Náagbaghị agụgọ, emeghị ọsọsọ ahụ bụ n'ihi oké ịdị ukwu nke ọlụ ahụ na ọjụjụ were anya ọ gaanata site n'aka Fero mgbe agaeme ka arịrịọ Ụmụ Israel pụta ìhè. Ma Moses rubeereisi, anyị ewee náahụ́ ya n'obíeze ugbu a ka ọ naarịọ arịrịọ n'ihi ndị ahụ anaemegbu emegbu.

Ndịeze niile maọbụ ndịọchịchị nke Ijipt naagbakwunye aha ahụ bụ́ Fero n'aha nke agụrụ ha nke eji mara ha. Okwu a bụ Fero ka ewereworo n'otù ụzọ ahụ anyị si ewere okwu ahụ bụ́ eze maọbụ onyeisiala. Ma ọ dịkwa nghọta ọzọ nke gaabụ ihe kpaliwororị nrọrọ ahụ ha rọọrọ ya nye onwe ha. N'ezie nkọwa ya ọ pụtara agụiyi, nke bụ́ anụmanụ anaasọpụrụ n'etiti ndị Ijipt, n'ihi nke a mgbakwụnye aha ahụ dị nsọpụrụ n'aha onye ahụ náachịachị gaabụworị ihe ezubere iji nye ya ùgwù na nsọpụrụ.

N'Ijipt ha naefè ọtụtụ chi dị icheiche. Ọtụtụ ihe ngwupụta egwupụtara ọhụụ náatụkwasị ọtụtụ ihe n'elu ọnụọgụgụ ahụ karịrịakarị nke enwere na mbụ banyere chi dị icheiche ha naefèòfùfè. Ha chéré na mba ọ bụla nwere chi nke náechébé ha, mkpà chi nke obodo ọ bụla dị naapụta ìhè site n'ike nke ndị obodo ahụ nwere, náagbanyeghị ọnụọgụgụ chi ha nwererị. Ebe Ijipt bụ́ ike náachị ụwa niile n'oge ahụ, naachịkọta óké àkụ̀naụba nke ụwa, nwee kwa ọtụtụ narị puku ndịorù na ìgwè ndị anaachị achị, ha wee náagụ chi niile nke Ijipt dịka ha kachasi chi niile ọzọ ukwuu.

Moses na Eron ji aha Jehova Chineke nke Israel guzo n'iru Fero wee rịọ ka enye Ụmụ Israel ike ịga n'ọzara ifè na ịchụrụ Jehova bụ́ Chineke ha àjà. Ma Fero asọpụrụghị Chineke nke Israel. O nwere ọtụtụ chi dị icheiche ọ naefèòfùfè ndị ọ gụrụ dị ukwu karịa Jehova nke Israel, nke mere, náarụghịụkà, na Chineke nke ndị ahụ ewedara n'ala ndị anaemegbu kwa emegbu dịka ndị Hibru apụghị ịbụ Chineke dị ike maọbụ nke kwesịrị ilebara anya site n'ebe onye ọchịchị dị elu dịka ọ hụrụ onwe-ya nọ. Ọ̀zízá ya bụ̀, "Ònye bu JEHOVA, na m'gēge nti n'olu-Ya izipu Israel? Amaghm JEHOVA, ọzọ kwa m'gāgh-ezipu Israel." Ma Chineke agwaworị Moses mgbe o guzoro n'iru osisi ntà ahụ náeréọkụ na Ndị Israel gaefèòfùfè n'ebe ahụ, ya mere Moses matara na Chineke gaemezu Okwu Ya.

Site ná mmalite mgbe mmadụ mehiere, Chineke chọrọ, náasọpụrụ kwa ịchụàjà mgbe achụrụ ha site n'okwukwe; ọ dịghị ememe okpukpé ọ bụla maọbụ ịkpọisiala Ọ naanabata ma ejighị ha. Ma ebe ọ bụ na ndị Ijipt naefé ọtụtụ

nime ụmụanụmanụ, ọ gaghị adị mfé iwere anụmanụ ndị ahụ ji chụọàjà nsureọkụ nime Ijipt n'ihi na amaara nkeọma ihe ọ gaalụpụta.

Ụfọdụ nime igwè ewu na atụrụ aghaghị isoro Ndị Israel ka ewee nwee ike isi n'etiti ha rọpụta ihe ịchụàjà; ma ebe ndị Ijipt na eleda ndị náazụ̀ atụrụ anya dịka ndị náadịghị asọpụrụ chi niile nke Ijipt, ndị Ijipt agaghị ahụ ndị agaatụkwasịobi ịrapụrụ anụmanụ fọdụrụ ka ha lekọta ha anya mgbe Ndị Israel pụtasịrị. Ọ dịghị kwa onye Israel ọ bụla agaarapụ dịka onye náazụ̀ atụrụ n'ihi na Chineke enyewo iwu ka mmadụ niile gaa feè Ya òfùfè. Ya mere ihe ha kwesịrị ime pụtaraìhè. Apụghị inwe mkwekọrịta maọbụ onyeogbugbo. Iwu niile nke Onyenweanyị bụ̀ ihe anaaghaghị irubereisi, igwè atụrụ, ewu na ụmụmmadụ aghaghị iso jee.

Dịka ihe Chineke kwuru si dị, Fero jụrụ inye ha ihe ha rịọrọ. Ma iheọmụma Chineke bu ụzọ mara banyere mkpebi nke onyeeze nganga ahụ anaapụghị ya ike ime ya. Fero rọọrọ ụzọ nke ya wee mee ka obi ya sieike megide Chineke, ma n'ihi nrọọrọ ya bụ́ ihe akpachara anya mee, Chineke rapụrụ ya ịga dịka nrọrọ ahụ si dị. Fero boro Moses na Eron ebubo na ha naeme ka Ụmụ Israel nwee mkpebi nke gbochịrị ha ịlụọlụ ha, o wee nye ha iwu ịlaghachị n'ọlụike ahụ enyere ha, náatụkwasị kwara ha ọlụọzọ niile dịka onyeọchịchị akaike ọ bụla náenweghị uche pụrụ ime. (Okwu ahụ **naeme** nke ahụrụ n'Ọpupu 5:4 bụ̀ okwu Bekee ochie anaasụkarị n'ebe niile mgbe atụgharịrị Baịbụl anyị site n'asụsụ mbụ ahụ. Ọpụtara **naegbochị ).**

"Unu enye-kwa-la ndi ahu okporo-ọkà ọzọ ikpu brick" tụkwasịịrị ha óké ibuarọ̀ n'ibuarọ ahụ dị ukwu ha naebu na mbụ; ma iwu ahụ bụ̀ "ọnu-ọgugu brick, nke ha onwe ha nākpu na mgbe gara-aga, ka unu gātukwasi ha, unu agubila ihe nime ya" mere ka ọlụ ahụ bụrụ ihe anaapụghị ịlụzu. Ndịndú Ụmụ Israel mere mkpesa nye Fero mgbe etisịrị ha ihe ike nke ukwuu, ma ha anataghị obiebere ọ bụla, kama náání ihe ha natara bụ̀ ime ka iwu onyeọchịchị akaike ahụ sieike, karịa nke a ọ sịrị na ọ bụ n'ihi na ha bụ̀ ndị umengwu mere ha ji malite iche banyere ihe ọ kpọrọ échìchè nzuzu banyere ifè Chineke ha òfùfè.

Akụkọ a banyere ndị Israel abụrụwo ihe ndị náegwupụta ihe site n'ala nwapụtara na ọ bụ̀ eziokwu n'arọ olenaole garaaga. N'otù ụlọ daraada n'Ijipt n'oge ochie nke yiri ụlọ ebe anaechedo ihe, brick ejiri malite ido ụlọ ahụ jupụtara n'okporoọkà nke eji ejikọta ụrọ akpụrụakpụ. Ka ana ewulite ụlọ ahụ brick ndị dị n'etiti enweghị ọtụtụ okporoọkà nime ha, nke ahụ ka ahụtara na ha jupụtara na mkpọrọgwụ okporoọkà eropụtara eropụta. Ebe elu nke ụlọ ahụ, maọbụ brick ikpèazụ̀ niile nke ụlọ ahụ, ka eji náání ụrọ̀ wue náagwaghị ya okporoọkà n'ụdị ọ bụla. Nke a naadịgide dịka iheama zoroezo banyere mmegbu na ọchịchịaka ike náenweghịatụ̀ rue ọtụtụ narị arọ.

Ugbu a Ụmụ Israel enwewo mmetụta na ibuarọ̀ ha karịrị ihe ha pụrụ ibu. Ndịndú ahụ weere mkpesa jekuru Moses na Eron náakpọku Chineke ka O kpee ha ikpè n'ihi mgbalị nke náenweghị isi ime ka Ndị Israel nwere onweha. Eleghịanya obi lọrọ Ndị Israel mmiri nke ukwuu n'ihi ụba na ọgan'iru nke mba mmehie ahụ náekpere arụsị bụ́ Ijipt ya na ịta ahụhụ na ogbenye nke ha onweha. Chineke ekweworị mkwà ịgọzi Ndị Israel na ịkọcha ndị náakọcha ndị nke Ya; ma ọ bụghị ngọzi maọbụ nkọcha ahụ bụ̀ ihe pụtara ìhè n'oge a. N'ilepụanya n'iru, náání ihe niile ha pụrụ ịhụ́ site n' anya nke anụarụ bụ́ ọtụtụ arọ̀ nke óké ndọgbu n'ọlụ nke náání ihe pụrụ ịkwụsị ya bụ̀ náání otù ihe ahụ nke ha gaanabata nkeọma bụ́ nke anaeme kwa ka ọ nnọọ ọdụ nke bụ́ ọnwụ.

Ọ dị ọtụtụ oge n'akụkọ nke ndị Israel mgbe Moses ahụ onye náatụ̀ egwù Chineke zutere óké ọgbaaghara (maọbụ nsogbu). Nke a bụ̀ otù. Lee otú o si mee ụmà mgbe ekpokwasịrị ya ebubo ọjọọ ahụ niile, mgbe o mesiworo ihe niile Chineke sịrị ya mee n'ikwesị ntụkwasịobi. Okwu olenaole sitere n'Akwụkwọnsọ gwara anyị banyere óké isiiyi nke inyeaka ahụ nke Moses jekuuru n'oge mkpà dị otú ahụ: "Moses we laghachikuru JEHOVA." N'ụzọ dị otú a ọ pụtara na Moses matara nkeọma ụzọ kwesịrị isoro. Ọ gaghị eme ndahie mgbe o jekuuru Chineke n'ihi inyeaka. Chineke ahụ arapụghị ya, Ọ gaghị arapụ kwa anyị! Mgbe niile ụzọ aghaghị ịdị n'etiti óké osimiri maọbụ nime ndagwurugwu, ma ọ bụrụ na anyị dịka Moses gaechigharịkuru Chineke n'oge anyanwụ maọbụ ebilimmiri!

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Gịnị bụ̀ arịrịọ Moses na Eron rịọrọ Fero n'oge a?
2. Gịnị ka ha kwuru kpatara ya na ìkìkè ha nwere banyere arịrịọ a?
3. Gịnị bụ ọ̀zízá Fero?
4. Moses ò buru ụzọ mata ihe gaabụ mmeso Fero?
5. Gịnị bụ ebubo Fero boro Moses na Eron?
6. Gịnị ka Fero sịrị na ọ bụ ihe mere Ndị Israel jiri chọọ ijé feè Chineke òfùfè?
7. Gịnị bụ mmeso Fero mesoro Chineke nke Israel?
8. Kọwaa iwu ahụ Fero nyere.
9. Òlee otú iwu ahụ siri metụta ndịndú nke Israel?
10. Gịnị ka Moses mere mgbe Ndị Israel weere mkpesa jekuru ya?